# ÒZÍZÍ DỊ ICHEICHE NKE JISỌS BANYERE ỊBỤ ONYE NÁESOỤZỌ YA
## Matiu 17:14-21; Luk 9:51-62
## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 115 – Nke Ndietiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ digh onye ọ bula nke nēle anya n'azu, mgbe o tiyesiri aka-ya n'ọgu anu-ulo nādọkpughari, kwesiri ala-eze Chineke" (Luk 9:62).**

### Ekpere nke Otù Nna

Jisọs, Pita, Jemes na Jọn si n'ugwu rịdata ebe enwogharịrị Ya. Ndị náesoụzọ Ya ndịọzọ na ìgwè mmadụ ahụ zutere Ya, n'etiti ha ka otù nwoke si pụta bụ́ onye matararị onye Onyenweanyị bụ. Nwoke ahụ ebe ọ naachọ ebere, o gburu ikpere n'iru Ya. O jekuuru Jisọs n'ihi náánị́ otù nwa ya (Luk 9:38). Nwatakịrị nwoke ahụ bụ onye mmụọ ọjọọ ji ma nọdụ kwa n'ọnọdụ nhujuanya nke mere na o nweghị ike ikpere onwe ya ekpere. Ana emekpa obi ya arụ, nke mere na mgbe ụfọdụ ọ naadaba nime ọkụ ma mgbe ụfọdụ nime mmiri.

Ụfọdụ ụmụntakịrị adịghị enwe mmasị n'ebe ndị mụrụ ha naekpe ekpere dị. Ọ dịghị onye maara ihe gaara eme nwatakịrị nwoke a ma ọ bụrụ na nna ya elekọtaghị ya, wee kpọrọ ya bịakute Jisọs ma kpee kwara ya ekpere mgbe ọ nọ n'ọnọdụ ọ náapụghị ikpere onwe ya ekpere. Ọ dị mmadụ ụfọdụ taa ndị nwere ụdị ihe ịgbààmà dịka nke nwatakịrị nwoke a gararị enye: ndị mụrụ ha kpọọrọ ha bịkakute Jisọs n'ekpere, Chineke wee dọbie mkpọrọ dị icheiche nke mmehie wee napụta kwa ha. Ọ bụrụ na ị nwere nnenanna náasọpụrụ Chineke, o kwesịrị ka ị mara na ị bụ onye Chineke gọziri. Nwee obi ekele n'ihi ha.

### Ebe Ziriezi Ihe si Apụta

Nna ahụ kpọọrọ nwa ya nwoke gaa n'ebe nke o kwesịrị ịkpọga ya nke bụ́ ijekuru Jisọs. Ndụmọdụ anaenye ndị ọrịa taa bụ ka ha jekuru Jisọs. Mgbe arụ náadịghị mmadụ ọ bụla ike apụrụ ịgwọ ya site n'ijekuru ndịozi ka ha kpeere ya ekpere náete kwa ya manụ n'aha Onyenweanyị (Jemes 5:14, 15).

Nwoke ahụ enwetaghị ihe o lere anya ya n'ihi na ndị náesoụzọ Ya apụghị ịgwọ nwatakịrị ahụ (Luk 9:40); ma eleghịanya o mere ka okwukwe ya maa jijiji. N'obi ịlọmmiri ọ rịọsiri ike sị "ọ buru na I puru ime ihe, nwe ọmiko n'aru ayi" (Mak 9:22). Okwukwe ya afọwo ntakịrị ka ọ gwụsịa, ma Jisọs gbara ya ume na ọtụtụ ngọzi naabịa site n'okwukwe. "Ọ buru na I puru! Onye nke kwere puru ime ihe nile" (Mak 9:23). Nwoke ahụ wee ghọta ihe gbochiri ya – enweghi okwukwe. N'anyammiri nke dị n'anya ya, ọ rịọrọ Onyenweanyị ka O nyere ekweghi ekwe ya aka (Mak 9:24). Mgbe Jisọs baara mmụọ ọjọọ ahụ mbá, ewee gwọọ nwatakiri ahụ -- ọ bụghị na nwayọ-nwayọ kama n'otù ntabianya.

### Ike nke Karịrị Ekwensu

Jisọs enyeworị ndị náesoụzọ Ya ike ịchụpụ ndị mmụọ ọjọọ na ịgwọ ọrịa niile dị icheiche na nrịanrịa niile dị icheiche (Matiu 10:1), ugbu a gịnị mere ha apụghị ịgwọ nwatakịrị ahụ? Jisọs baara ha mbá n'ihi enweghị okwukwe ha. O juru Ya anya ogologo oge ọ gaewere ndị náesoụzọ Ya ịghọta na ike ahụ esiteghị n'aka ha kama n'aka Onyenweanyị. Chineke etewo Jisọs manụ n'ike iji mee iheọma na ịgwọ ndị niile ekwensu naemekpa arụ, n'ihi na Chineke nọnyere Ya (Ọlu Ndi-ozi 10:38).

Jisọs gosiri ndị náesoụzọ Ya na ọ bụ site n'ekpere na okwukwe ka agaeji nweta ike Ya. Ọ sịrị na ọ dịghị ihe anaapụghị ime ma ọ bụrụ na ha nwere okwukwe dịka mkpụrụ mustard, nke dị ntà ma o nwere ọtụtụ ihe ọ gaamipụta ma ọ bụrụ na o tolite wee bụrụ óké osisi nwee kwa ezi ọnọdụ. Otú a ka okwukwe dị kwa: nke dị ntà nwereike itó ma baa kwa ụba. "Ya mere, okwukwe si n'ọnunu puta, ma ọnunu ahu sitere n'okwu Kraist" (Ndi Rom 10:17).

Jisọs chọrọ ka ndị náesoụzọ Ya nwee okwukwe na ike sitere n'Elu. Akpọwo ha ka ha gaa zisaa Oziọma, na site kwa n'ike Ya ndị mmadụ gaamata na ha bụ ndị náesoụzọ Ya. "Ihe-iriba-amam ndia gēso kwa ndi kwere; n'aham ka ha gāchupu ndi-mọ ọjọ; … ha gēbikwasi ndi nrianria aka, agēme kwa ka aru ha di ike" (Mak 16:17, 18). Jisọs gwara ha otú esi enweta ike a – site n'ekpere na obubuọnụ.

O doro anya na ndị náesoụzọ Jisọs ritara urù n'okwu Jisọs gwara ha; n'ihi na anyị gụtara na mgbe Jisọs zipụsiri mmadụ iri asaa ahụ nime ndị náesoụzọ Ya ka ha gaa kwusaa, ha latara n'ọñụ náasị "Onyenweanyị, ọbụná ndị mọ-ọjọ ka anēdo n'okpuru anyị n'aha Gi" (Luk 10:17).

### Ịchọ na Ịzọpụta

Jisọs naakwadobe ndị náesoụzọ ya maka ụbọchị ahụ mgbe aga ewepụ ya site n'ebe ha nọ, mgbasa nke Oziọma ahụ gaadị kwa n'aka ha. Mgbe ụbọchị ahụ naabịaru nso ha gara Jerusalem. Anabataghị ha n'otù obodo nke ndị

Sameria, ndị obodo ahụ achọghị kwa ịnụ okwu Jisọs. O wutere Jemes na Jọn na o kwesịghị ka esi otú ahụ mesoo Onyenweanyị ma n'otù ntabịanya ahụ rịọ kwa ike ka ebibie ndị ahụ.

Onyenweanyị nwereike izidata ọkụ site n'Eluigwe iji nye ndị ahụ ahụhụ ma ọ bụrụ na Ọ hụrụ na o kwesịrị ime otú a. N'ekpere Elaija, Chineke zidatara ọkụ ka o repịa àjà ahụ niile na igosi kwa ndị ahụ nke náefe Beal na ọ bụ náání Ya bụ Chineke (I Ndi-Eze 18:38, 39).

Jisọs enyeghị ike ka ndị obodo sameria bụrụ ndị ebibiri n'ihi na Ọ sịrị na ọ bụ ihe megidere mmụọ nke onye nke Kraist. "Unu emele ihe ọ bula n'uzọ ikpa iche iche ma-ọbu n'uzọ ịchọ otuto efu" (Ndi Filipai 2:3). "Unu enyeghachila onye ọ bula ihe ọjọ n'ọnọdu ihe ọjọ" (Ndi Rom 12:17). "Mu nwe ọ́bọ̀; Mu onwem gēnyeghachi, ka Onye-nwe-ayi kwuru" (Ndi Rom 12:19). Tụkwasị nke a, nzube Ya abụghị ibibi onyemmehie kama ka O nye ya ohere ka o chègharịa ma nwee kwa ndụ ebighebi. "N'ihi na Nwa nke mmadụ bịara ịchọ na ịzọpụta ihe nke furu efu" (Luk 19:10).

Jisọs naakụziri ha otú ndị náesoụzọ Ya gaesi bie ndụ na ihe ọ gaewe mmadụ ịbụ onye náesoụzọ Ya. Ọ dị ụfọdụ ndị náapụghị ịbụ ndị náesoụzọ Ya n'ihi na ha enweghị ntozuòkè ahụ. Otù nwoke kwuru ngwangwa na ọ gaeso Jisọs ebe ọ bụla Onyenweanyị naejé. Jisọs maara na ọ gụkọbeghị ihe ọ gaefu ya. N'ihi na onye nime unu nke nāchọ iwu ulo-elu, nēbugh uzọ nọdu ala gu ego ọ gēwe, ma o nwere ego ọ gēji luzu ya? Ka ndi nile ndi nāhu ya we ghara imalite ime ya ihe-ọchi ma elegh-anya, mgbe ọ tọsiri ntọ-ala ya, ma o nwegh ike iwuzu ya" (Luk 14:28, 29). Jisọs maara na nwoke a dị ka onye ahụ nke náanụ okwu Chineke nke yiri ala nkume ahụ nime ilu banyere ọgha mkpụrụ na mkpụrụ ahụ (Matiu 13:5, 6, 20, 21), onye jiri ọñụ malite iso Jisọs rue mgbe mkpagbu maọbụ nsogbu bịara ịnwa okwukwe ya. O nweghị mkpọrọgwụ; nnwapụta ya bụ ihe náadịghị omimi bụrụ kwa ihe gaagabiga na nwa oge. Jisọs agwaghị nwoke a na ọ pụghị iso kama Jisọs gosiri ya na ọ gaghị abụ ụzọ dị mfé. Jisọs adịghị ekwe mkwà ụzọ dị mfé kama Ọ naekwe mkwà maka inyeaka. "Amaram ezuworo gi" (2 Ndi Kọrint 12:9). "Ọ digh ọnwunwa ọ bula nwaworo unu ma ọ bugh nke madu nānagide: ma Chineke kwesịrị ntukwasi-obi, onye nāgagh-ekwe ka anwa unu kari nke unu puru inagide; kama n'oge ọnwunwa ahu ọ gēme kwa ụzọ ngbapu, ka unu we nwe ike inagide ya" (I Ndi Kọrint 10:13). Nwoke ahụ gaeme nrọrọ, ma anyị agụtaghị na o soro Onyenweanyị.

**"Chineke ekweghi-nkwa igwe-oji anụnụ mgbe niile**

**Ụzọ gejupụta n'okoko-osisi na ndụ anyị niile,**

**Chineke ekwegh nkwa inye anwụ nenyeghị miri ozuzo**

**Ọñụ nēnweghị iruuju, udo nēnweghi ihe mgbu,**

**Kama Chineke kwere nkwa inye ike n'ụbọchị**

**Izuike nye onye ọlụ, ìhè n'ụzọ**

**Amara n'oge ọnwụnwa, inyeaka si n'elu**

**Ọmịko nādịghị ada, ịhụn'anya nādịghị anwụ."**

Jisọs kpọrọ onye ọzo ka ọ bụrụ onye náesoụzọ Ya ma o nyere ihe ngọpụ (Luk 9:59, 60). (Gụọ Luk 14:16-24). Ọ chọrọ iwezuga ya rue oge dị n'iru. Ọ sịrị na o nwere ọlụ n'ụwa nye nna ya. O chégh échìchè banyere ọlụ nke imemmụọ nke o nwere nye Nna ya nke bi n'eluigwe. Jisọs gwara ya na ọ dị ndịọzọ -- ndị nwụrụ anwụ nime mmehie ndị ná enweghị ọkpụkpọ dị elu otú -- ndị pụrụ ilekọta nna ya mgbe ọ nwụrụ. Ma nwoke a bụ onye ejiri ọtụtụ nchégbu nke ụwa a kee agbụ, o dokwara anya na o rubeghiisi n'iwu nke Jisọs: "Gi onwe-gi je zisa ozi ala-eze Chineke." "Ma nēzenu onwe-unu. Ka aghara iwere imebiga ajọ-ihe-okè, na iñubiga manya-okè, na nchegbu nke ndu a, bogbu obi-unu ma elegh anya, ubọchi ahu we biakwasi unu na mberede" (Luk 21:34).

Nwoke ọzọ sịrị na ya gaeso Jisọs, KAMA ọ dị ihe ụfọdụ ọ chọrọ ibu ụzọ mee; n'ihi ya o siri agụgọ. Ọ chọrọ ịsị ndị nke ya nọdụ nkeọma, dịka agaasị na o jigh obi ya niile náarapụ ha. Nke a bụ mmụọ dị iche site na nke Elaisha onye bibiri ihe ndị ahụ nke gaakpọghachi ya azụ site n'iso Onyenweanyị (Ndi-Eze 19:12). Elaisha "gbubisịrị àkwà nile n'azụ ya."

### Ekwesịghị maka Alaeze ahụ

Jisọs rụtụrụ aka egwù ọ dị bụ́ ileghachi anya n'azụ n'ebe ihe nke ụwa dị. Ọ sịghị na ọ bụ "Ilaghachi azu" kama "ile anya n'azu" gaeme ka mmadụ ghara ikwesị alaeze Chineke. Ileanya n'azụ pụtara na mmadụ ejighị obi ya niile náeso Jisọs kama o nwere agụụ nime obi ya n'ebe ihe nke ndụ ochie ya dị. Na Jenesis 19:26, anyị naagụ ihe mere nwunye Lọt mgbe o lere anya n'azụ. N'ihi ajọ omume, Chineke bibiri obodo Sọdọm, ebe Lọt na èzínaụlọ ya biri. N'ịza ọtụtụ ekpere nke nwannenna Lọt bụ́ Abraham, Chineke dọrọ Lọt akanántị ka ọ gbapu n'ihi ndụ ya náeleghị anya n'azụ. Agwara anyị ka anyị "cheta nwunye Lọt (Luk 17:31) n'ihi na o lere anya n'azụ wee ghọọ ogidi nnu ihe ncheta nke nnupụisi. Ka nke a bụrụ ịdọakanántị maka ileanya n'azụ na kwa ịdọakanántị megide nnupụisi.

Chineke achọghị ka ndị nke Ya were obi abụọ fee ya. “N’ihi na Mu onwem bu JEHOVA Chineke gi, bu Chineke ekworo” (Ọpupu 20:5). “I gēwere kwa obi-gi nile, were kwa nkpuru-obi-gi nile hu JEHOVA, bu Chineke-gi, n’anya” (Deuteronomi 6:5). N’ikpeazụ ọ dịghị kwa ọnọdụ dị nime obi nye ihe ọzọ.

Jisọs edebewo nguzo dị elu nye ndị náesoụzọ Ya, ma ọtụtụ bụ kwa ndị náachọ ịbịaru nso ịdịelu ahụ ma jigide ya. Pọl Onyeozi kwuru sị “Ka ayi tupu kwa ibu nile ọ bula … ka ayi were kwa ntachi-obi gba ọsọ ahụ edebere ayi n’iru, nēlegide Jisọs anya bu onye ndú na onye nmezu nke okwukwe ayi” (Ndi Hibru 12:1, 2). “Otù ihe ka m’nēme, ebe m’nēchezo ihe nile di n’azu, nēsetipu kwa aka n’ebe ihe nile di n’iru di, anamagbakuru ókè igba-osọ ka m’we nata ihe anāgbata n’ọsọ nke ọkpukpọ dị elu nke Chineke nime Kraist Jisọs” (Ndi Filipai 3:13, 14).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere ndị náesoụzọ Ya enweghị ike ịgwọ nwatakịrị woke ahụ?
2. Òlee otú mmadụ gaesi nweta ike Chineke ná ndụ ya?
3. Gịnị mere Jisọs jiri bịa n’ụwa nke a?
4. Gịnị ka okwu a pụtara “irechapu (maọbụ igbubisi) àkwà n’azụ gị?”
5. Akụkụ ra añaa n’obi gị ka Chineke naachọ?
6. Kpọọ aha ihe atọ n’iheọ̀mụ̀mụ̀ a nke Jisọs chọrọ n’aka ndị naesoụzọ Ya